Diploma Programme
Programme du diplôme
Programa del Diploma

# Igbo A: literature – Standard level – Paper 1
# Igbo A : littérature – Niveau moyen – Épreuve 1
# Igbo A: literatura – Nivel medio – Prueba 1

Wednesday 10 May 2017 (afternoon)
Mercredi 10 mai 2017 (après-midi)
Miércoles 10 de mayo de 2017 (tarde)

1 hour 30 minutes / 1 heure 30 minutes / 1 hora 30 minutos

---

**Instructions to candidates**

- Do not open this examination paper until instructed to do so.
- Write a guided literary analysis on one passage only. In your answer you must address both of the guiding questions provided.
- The maximum mark for this examination paper is **[20 marks]**.

**Instructions destinées aux candidats**

- N'ouvrez pas cette épreuve avant d'y être autorisé(e).
- Rédigez une analyse littéraire dirigée d'un seul des passages. Les deux questions d'orientation fournies doivent être traitées dans votre réponse.
- Le nombre maximum de points pour cette épreuve d'examen est de **[20 points]**.

**Instrucciones para los alumnos**

- No abra esta prueba hasta que se lo autoricen.
- Escriba un análisis literario guiado sobre un solo pasaje. Debe abordar las dos preguntas de orientación en su respuesta.
- La puntuación máxima para esta prueba de examen es **[20 puntos]**.

2217 – 0695



© International Baccalaureate Organization 2017

International Baccalaureate®
Baccalauréat International
Bachillerato Internacional

Dee naanị **otu** ihu akwụkwọ mkpọwa/nkọwa agụmagụ ederede kenduzi/mgbaziri. N’azịza gị, ị ga-enyerịrị ụsa banyere ajụjụ kenduzi/mgbaziri ndị ahụ e wepụtara.

**1.**

N’oge ahụ, Mahadum adịghị n’ala anyị. Ihe dị n’ọnụ onye ọ bụla bụ na otu onye nkuzi nọ n’Ịva ga-eziga onwe ya obodo Oyibo. Ọ gbara ọtụtụ mmadụ gharịị otu Akụbụzọ ga-esi bute ego ga-ezuru ya ịga ebe ahụ gụọ akwụkwọ ihe dị ka afọ anọ. Ndị karịrị n’ọnụ ọgụgụ sịrị na ọ bụ egbe ọnụ ka ọ na-agba, na ha agaghị ekwe ma ha ahụghị n’anya. Ndị ahụ amaghị na Akụbụzọ bụ amusu n’ịgba ọnya ego.

Mgbe Akụbụzọ nụrụ na imerime mmadụ ekwetaghị na ya pụrụ iziga onwe ya ala Bekee, ọ sịrị, “Ọ bụghị ego ole mmadụ na-enwe n’ọnwa ka mkpa, kama ọ bụ ole ọ na-edewe.” Ụbọchị a kara aka adịla nso. Akụbụzọ chọrọ ka ya gụọ ego ya mata ma o zukwara ezu. Ọ gbakọọla nke o depụtara n’akwụkwọ, ọ bụrụ nnukwu ego. Ihe fọduru bụ ịmata na ego o depụtara n’akwụkwọ na nke dị n’igbe bụkwa otu ihe. Kemgbe o ruru n’Ịva, ọ hapụrụ igbe ahụ n’okpuru akwa ya ebe aka agaghị aga ngwa ngwa. Ọ bụ ka mmadụ ghara ịhụ igbe ahụ ka o jiri gbochie ụmụ odibo ya ịbata n’ebe ọ na-ehi ụra. Ọ bụ Akụbụzọ n’onwe ya na-aza ebe ndịla ya ma ọ naghị enwe ohere aza ya nke ọma. Mgbe ọ bụla ego bara ya n’aka, ọ na-esi n’ebe a kpọpuru igbe ahụ akpọpụ n’elu tinye ya; ọ naghị ebupụta ya ebupụta.

N’ụbọchị ahụ ọ chọrọ ibupụta ya gbuwaa o kweghị ya. O jiri ike dimkpa gbalịa ka ya bugharịa ya, o kweghị, ọ mara na ọ pụọla n’egwu, na ọ bụghị arọ ego ya mere na igbe ahụ ekweghị emegharị. O jiri nwayọ lee anya n’okpuru akwa ebe igbe ahụ dị, ma gịnị ka ọ hụrụ? Akịka afụdola igbe ego ahụ n’ala tariekwa ya, naanị elu ya fọdụrụ. Ahụ ọma jijiji jidere Akụbụzọ ma o jiri ike dimkpa tiwapụ aja jidere igbe ahụ n’ala, hụ ma lee, akịka atasịala ego ọ kpakọbara kemgbe afọ iri o bidoro nkuzi. Naanị ndị ọ hụrụ dị mma bụ ndị dị n’elu na ndị o tinyere nso nso. Ndị abụghị ego akwụkwọ, ya bụ ndị bụ ego igwe, tasịrị nchara na-acha ụpa ụpa. Ego ndị mebiri emebi karịrị ndị dị mma mmaji. Ọdachi a riri Akụbụzọ ọnụ; ọ dị ya ka ọ bụ na nrọ, dị ya ka ọ bụ n’ihe. Ya mere, ọ gara saa ihu ya nke ọma tupu o kwere na ọ bụghị nrọ ka ya na-arọ.

Akụbụzọ nwere ndidi na obi ike, ọ bụghị ụdị mmadụ na-ekoropu obi ngwa ngwa. Ma nke a bịakwutere ya wepụrụ ya ihe n’ahụ hinne. O chere ogologo echiche maka ahụhụ dum ọ hụrụ tupu ọ kpata ego ha otu ahụ; otu o siri arụgbu onwe ya n’ọrụ; otu o siri ebu ọnụ; otu o siri amụ anya eche akụ na ụba ya; otu o siri kota okwu na ụka nke mere ka ndị nkuzi ya n’Abangwu kpọọ ya asị, tiekwa ya ihe; otu ụmụ odibo siri agbara ya ọsọ n’ihi agụụ, oke ọrụ na ọchịchị aka ike; otu o siri eyi naanị otu ụdị akwa ka ya nweee ike debe ego ga-ezuru ya agụmakwụkwọ.

Mgbe o chesịrị ihe ndị a, ike ụwa gwụrụ ya, o tie mkpu n’olu ike sị, “Ewu ataa m igu n’isi. Akwọọ m aka m ga-eji eri ọna, ọna tasịa nchara. Gịnị ka m ga-agwa ndị bịara gọọrọ m ọfọ, nyekwa m ihe onyinye? Gịnị ka m ga-eme akwụkwọ nkwụsị ọrụ m dere ma nganga niile m kpasara ndị isi? Ewu na ọkụkụ amatala onye m bụ n’ihi otu aha m si ada n’ezi na ụzọ. Kama dibịa ga-eri arịrị ya were ụkwụ sowe ndị mmụọ na ndụ”.

Ihe a mere Akụbụzọ sepụrụ ya nnọọ ọnụ n’ara. Ike niile o kere n’okorobịa aghọọla ihe efu na mberede. Site n’ụbọchị ahụ gawa, agwa ya gbanwere n’ihi na onye adịghị ka ọ na-adị, ọ naghị eme ka ọ na-eme. Ọ matara nke ọma na ihe asịrị emeela, ya mere, o kpebiri n’obi ya na ya agaghị akọrọ onye ọ bụla iyi yiri ya. Ọ chịkọtara ego ndị dị mma ma ndị mebiri ntakịrị, ma site n’akwụkwọ o jiri edepụta ego ole o tinyere n’igbe ahụ, ego lara n’iyi karịrị ndị dị mma ugboro abụọ. Otu ọ dịla, ọ bụ uche ya na ya ga-agarịrị ala Bekee, ma ọ gaghị abụ n’afọ ahụ n’ihi na a naghị agba aka achụ ihe na-ata arụ. Nke a pụtara na ọ ga-achọ ọrụ ọ ga-arụ afọ ole na ole ka o wee kpatachie ego ga-ezuru ya agụmakwụkwọ na Mahadum.

Ude Ọdịlọra, *Ọkpa Akụ Erí Erí* (1975)

(a) Kwuo maka ụzọ e si jiri agwa Akụbuzọ gosipụta isi ihe ndị kachasị mkpa n'akwụkwọ a.

(b) Kọwaa ụzọ dị iche iche e si jiri nka agụmagụ rụọ ọrụ na kwa mmetụta nke a n'ederede a.

**2.**

**ỤKỌ N'UJU**

Kedụ zi ka a ga-esi nọdụ n'anyịm
Were asọ na-akwọ aka?
Kedụ kwanụ ka a ga-esi nọdụ n'iyi,
Kwere ncha ọ baa anyị n'anya?

Nkenu bi n'ala na-apịta mmanụ
Karịa ọsa bitọ n'elụ!

Kọọrọ m ihe kpatara na
Mmadụ ga-enwe mgbuli,
Ma mgbuli ana-agụ ya?

Ego a,
A sị na anyị nwere n'ijeli ijeli
Bụ n'ikuku ka ọ dị
Ego a,
A sị anyị na ọ bụghị ya bụ okwu
Bụ naanị n'akwụkwọ ka ọ dị

Kọọrọ m ihe kpatara na
Mmadụ ga-enwe egbugbere
Ma anwụ ana-ama ya n'eze?
Nri a,
A sị anyị na ọ bụ atụrụ tawa,
Ezughi atụrụ ga-ata
Nke ọ na-afọdụrụ mmadụ.

Ugbu a,
Mmiri na-afabanyezi anyi n'eze
Ebe anyị na-achọ mmiri a ga-anụ
Anyị na-elozi ụkwara taa
Na-atụzị anya erimeri nwanne echi.

Nọlue Emenanjọ, *Ụtara Ntị* (1979)

(a) Kọwaa mmetụta aha abụ a na nghọta niile dị n'ime ya.

(b) Kọwaa etu e si webata nka abụ dị iche iche na mmetụta ha n'abụ a.